*Nsukka Journal of the Humanities Vol. 27 (1) 2019, pp. 83 - 95*

# Mmebe na Usoro Njụ N'olu NdỊ Ẹzaa

**Nwaoke, Emmanuel Emeka;**
Ebonyi State University,
Abakaliki Ebonyi State, Nigeria

**Nweze, Ifeoma M.**
Alex Ekwueme Federal University,
Ndufu-Alike Ikwo, Ebonyi State, Nigeria

&

**Nwode, Goodluck C.**
Ebonyi State School of Health Technology
Ngbo, Ebonyi State

**ỤMỊ**

Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta na ịkọwa mmebe na usoro okwu ndị nwere njụ n'olu ndị Ẹzaa. Ọ ga-egosipụta mkpụrụ echiche nnọrọ onwe na nke ndabe nakwa ụzọ ndị ha si atụnye oke nye mmebemusoro e ji agbanwe ahịrị nkwusara ka ha ghọrọ nke njụ n'olu Ẹzaa. E mere nchọcha a site n'ịtụcha ọgbara na ahịrị okwu ndị Ẹzaa ebe e zipụtara njụ. A tụchara njatụle ndị e nwetara site n'ịgbaso atụtụ agwara okwu. Nchọcha a chọpụtara na ọ bụ naanị mgbakụnye njụ ka e ji ezipụta njụ n'ọgbara okwu n'olu ndị Ẹzaa. Mgbakụnye njụ anaghị esogide onwe ha n'ahịrị; ha na-abụkarị nganihu na nsonazụ nke ukwu ngwaa na-anọ n'etiti ha. Ụdị ngwaa e ji wube ahịrị okwu na ụdị ahịrị okwu e wubere bụ ihe ndị na-ezipụta ụdị mgbakụnye njụ a na-agbakwụnyere ha. N'Igbo izugbe, a na-ejikarị *–ghi*/*–ghị* ezipụta njụ n'ahịrị nkwusara na nke enwe obe ebe a na-eji *–la* ezipụta ya na nke ntimiwu. A bịa n'olu Ẹzaa, a na-eme ahịrị nkwusara njụ mgbe otu n'ime nganihu *tV* ndị a: *ta-/te-/ti-/tị-/to-/tọ-/tu-/tụ-,* isi ngwaa na nganazụ *-du/-dụ* bịakọtara ọnụ n'ahịrị okwu. Ahịrị njụ enwe obe na nke ntimiwu mkpoolu bụ ndị mkpụrụ echiche ndabe njụ *Ba-* na-amalitere; e nwekwara ike iwepụnwu ya n'ime ha ma mwepụ ahụ agaghị ebute mgbanwe echiche ma ọ bụ ndapụ ndanusoro. *Ba-* a gbakwụnyere nganihu *a-/e-* tinyere *isi ngwaa* bụ nke e ji ezipụta njụ n'ahịrị enwe obe. N'aka nke ọzọ, *Ba-* a gbakwụnyere nganihu *a-/e-* nke *isi ngwaa* na-esochi bụ nke e ji ezipụta ahịrị njụ ntimiwu mkpoolu ebe nke ahịrị njụ ntimiwu ụbara na-apụta ihe mgbe mkpụrụ echiche njụ *-ba* na nganihu *a-/e-, isi ngwaa* na *nkwuwa* bịakọrọ ọnụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Mmebemusoro, mgbakụnye, njụ, olu ndị

## 1.0 Mkpọlite

Ẹzaa bụ otu na mpaghara ndị/ala Igbo Nwaozuzu (2008) kwuru na ha mejupụtara mgbago ugwu ọwụwa anyanwụ nke ala Igbo. Ẹzaa nwere ọnụmara iri na abụọ doro anya; Ha gụnyere Ụmụezeọkaọha, Ụmụezeọka, Ụmụọghara, Oriụzọ, Ẹka, Ogbooji, Inyere, Idembịa, Am̄aana, Am̄aeka, Am̄aezekwe na Am̄audo (Ụkaghụ). E nwekwara ndị bị n'ala Ẹzaa na-abụchaghị ndị Ẹzaa kpọm kwem dị ka ndị Amaụda ndị nke na-asụ olu ndị Idzem nke asụsụ Ọrị/Chori. Ọnụ ọgụgụ ndị Ẹzaa bi na okpuru ọchịchị Ẹzaa North na nke Ẹzaa South di ka ọ dị n'akwụkwọ ọnụ ọgụgụ Steeti Ẹbọnyị nke afọ 2018 bụ mmadụ puku narị atọ iri itoolu na asaa, na narị mmadụ ise na ịrị asatọ na isii (397,586). Anyanwụ (2014) kwenyere na a bịa na mgbago ugwu ọwụwa anyanụ ala Igbo, Ẹzaa bụ otu n'ime obodo atọ kacha buo ibu; obodo abụọ ndị ọzọ gụnyere Izii na Ikwo.

Mmebemusoro dị ka *Igbo Adị - Ọkọwa okwu amụmamụ asụsụ na agụmagụ* kwuru bụ agwara ụtọ asụsụ nke na-emetụta mmebe na usoro okwu. N'amụmamụ asụsụ, a na-eji mmebemusoro akọwa nkeji okwu ndị nwere mmetụta nye mmebe okwu na usoro okwu. Mmebemusoro na-emetụtakwa nkọwa banyere mkpoolu na ụbara, nkwusara, ọrụ nnara na mmeju, njụ na ihe ndị ọzọ.

Njụ na-eweta ndịiche n'ụtọ asụsụ na ndokọ ụtọ asụsụ dị iche iche. Njụ na-apụta ihe n'ahịrị okwu na-ekwu na ihe e chere ma ọ bụ ederede dị ańaa abụghị ezị okwu. Amụmamụ dị iche iche mere ka a mara na e nwere ogo nkeji asụsụ atọ na-ezipụta njụ n'asụsụ mba ụwa. Ha gụnyere: nkeji asụsụ ngwaa, nkeji asụsụ nnyemaka ngwaa na nkeji asụsụ nkwuwa. Ndịmele (1985) kwuru na ọ bụ mgbakwụnye '-ghị' ka e ji akanye njụ n'asụsụ Igbo Izugbe. Nchọcha a ga-akọwa n'uju ụzọ e si eme ahịrị njụ n'olu ndị Ẹzaa.

## 2.0 Usoro nchọcha

Ụdị nchọcha e mere bụ nke ndịzima. Otu onye (onye nke mbụ) na ndị mere nchọcha a bụ nwa ama ala Ẹzaa, bụrụkwa onye mara olu ndị ahụ nke ọma. Nke a mere o ji dịịrị ndị ọchọcha a mfe isi n'olu ndị ahụ sere njatụle e ji mee nchọcha a.

### 2. 1 Mmebemusoro

Ọtụtụ ndị ọchọcha emeela ka mmebemusoro pụta ihe dị ka alaka amụmamụ asụsụ. Crystal (1980) kwuru na a bịa n'amụmamụ asụsụ, a na-eji mmebemusoro akọwa agwara okwu ndị nwere mmetụta nye amụmamụ mmebe okwu na nke usoro okwu n'ụtọ asụsụ. Amụmamụ mmebe okwu anaghị akwụ naanị ya mgbe a chọrọ ịtụcha ụtọ asụsụ ọfụma; nke a bụ n'ihi na a na-ekewasị ya n'ogo ole n'ole (Halle & Marantz 1993, 1994). Ha kwenyere na mkpụrụ echiche nwere ike ịnọ n'ime mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkebi okwu; o nwekwara ike inye nkọwa banyere mkpụrụ ụda asụsụ ma ọ bụ usoro okwu. Ọ bụ nke a mere ha ji were wube atụtụ mmebe okwu nkesa (Distributed Morphology). Harley na Noyer (1999) dere na a bịa n'amụmamụ atụtụ mmebe okwu nkesa, mkpụrụ echiche dị mkpa. Ha kwuru na mkpụrụ echiche anaghị arụtụ aka nye mkpụrụ

ụda asụsụ kama ọ na-agbado anya n'ebe mmebe okwu na usoro okwu nọ; mkpụrụ echiche bụ isi sekpụ nti nye mmebemusoro. Ha gara n'ihu kwuo na mkpụrụ echiche sitere n'agwara usoro okwu na nke amụmamụ echiche dị ka ụtọ asụsụ izugbe sị dị. Embick na Noyer (2001) kwenyere na ọ dị mkpa na e nwere amụmamụ mmegba mmebe okwu pụrụ iche n'ihi na a bịa n'asụsụ Bekee, mmafenye mgbakwụnye bụ agwara mmebe okwu a na-amụ n'alaka usoro okwu ebe mmemmeju na-apụta ihe n'isi ahịrị ma bụrụkwa nke a na-atụle n'ogo usoro okwu were mgbakwụnye ụtọ asụsụ na-egosipụta nganazụ ngwaa. Thompson, Fix na Gitelman (2012) hụtara atụtụ mmebe okwu nkesa dị ka alaka mmebemusoro. Kibort (2010) kọwara agwara mmebemusoro dị ka nke nwere agwara mmebe okwu na nke usoro okwu. O kwuru na agwara a na-emetụta ndanusoro na nchịkwa; amụmamụ nsirinweta bụ otu ụzọ nke agwara a si apụta ihe. Agwara a nwere ike si n'ọnọdụ (mgbe ọ na-atụle mbunuche na nchịkwa) ma ọ bụ si na chi (mgbe ọ na-eleba anya na ndanusoro). Ọzọkwa, ọ na-eweta ndịiche n'ogo amụmamụ echiche.

Nkọwa ha na-egosi na mkpụrụ echiche bara nye atụtụ mmebe okwu nkesa na mmbemusoro okwu. Ha hụtara mmebemusoro dị ka alaka amụmamụ mmebe okwu nke na-akọwa ọnọdụ a na-ahụta mgbe e nwere ka mkpụrụ asụsụ siri nwee mmetụta nye amụmamụ mmebe okwu na nke usoro okwu. Anderson (1986) kọtọrọ nkwenye a ma site na ya mee ka a mata na ebe agwa mmebe okwu na nke usoro okwu na-emetụta n'asụsụ bụ ndanusoro, mbu pụta ụwa, nhazị na nkeji ahịrị. Ọ gara n'ihu kwuo na ihe ndị a niile gbakwasara ụkwụ n'amụmamụ nsirinweta. Amụmamụ nsirinweta bụ amụmamụ na-eleba anya ka e si emebe mkpụrụ okwu site na nke e nweburu. Amụmamụ a na nke nsirimmebe na-apụta ihe n'asụsụ mba ụwa ma nwekwaa ụzọ ha si atụnye oke n'amụmamụ asụsụ.

**2.2 Njụ**

Nchọcha dị iche iche zipụtara ma kọwaa njụ dị ka nkeji/ahịrị okwu nke na-ekwu na echereche dị añaa abụghị ezi okwu. Njụ na-apụta ihe n'asụsụ nakwa olu ndị di iche iche. Anagbọgụ (2005) dere na Crystal (1996), Watters (2000), Oluikpe (1976) na Heasley (1983) kachaa mee nchọcha n'ụzọ di iche iche banyere njụ, o kwukwara na njụ dị ka amụmamụ ụtọ asụsụ na-eme ka a gbanwe ahịrị nkwe ka ọ ghọrọ ahịrị njụ. Ọ gakwara n'ihu mee ka a mara na ahịrị njụ ọ bụla na-enwe ihe nzipụta njụ nke ga-abụ mgbakwụnye ma ọ bụ mkpụrụ okwu. Adeoye, J.A. (2018) kwuru na njụ bụ nka asụsụ e ji alọghachi nkwupụta. Crystal (1994) kwuru na e nwere ụzọ e si emebe ahịrị njụ n'ụtọ asụsụ nke na-eme ka ọ pụta ihe ma zipụta ebumnuche okwuu n'ahịrị. Lyons (1968) kọwara ahịrị njụ dị ka ahịrị okwu nke na-eme ka a mata na ihe e kwuru ma ọ bụ nke a na-ekwu abụghị ezi okwu. Payne (1997) hụtara ọrụ njụ dị ka ihe a na-eme iji mee ka nkebi ahịrị okwu nkwe nwee ike zipụta njụ gbasara emereme ma ọ bụ ọnọdụ dị iche iche. Yusuff (2008) dere na anaghị eji ahịrị njụ amalite okwu ọhụrụ na

mkparịta ụka kama a na-eji ha akparịta ụbụbọ n'ọnọdụ ebe isi ụbụbọ bụ akpụ okwu e ji n'aka.

Kempson (1975) kwenyere na a na-eji ahịrị njụ ekwu na akpụ okwu a na-atụle abụghị ezi okwu. Lobner (2002) n'aka nke ya hụtara njụ dị ka ntụgharị ma ọ bụ ntụaghachi ezi okwu; ọ na-ekwu na njụ na-eme ka ahịrị okwu bụ ezi okwu tụgharịa ma ghọrọ asị. O kwukwara na njụ na-apụta ihe n'ogo ụtọ asụsụ dị iche iche, site n'ogo mkpụrụ okwu ruo na nke ahịrị okwu. Ndịmele (2005) dere na Schaefer na Masagbor (1984) kọwara mmebe njụ site na nkwenye nke ezi okwu; ha hụtara ọnọdụ njụ dị ka mgbe a gbakwụnyere akara njụ n'ahịrị okwu nke na-eme ka ahịrị okwu mbụ, bụ ezi okwu, gbanwe ghọrọ ahịrị okwu nke abụọ, ga-abụ asị; mgbe ọ bụla ahịrị okwu nke mbụ bụ ezi okwu, nke abụọ ga-abụrịrị asị. Emenanjọ (1985) chọpụtara ụzọ dị iche iche ahịrị okwu njụ si apụta ihe n'olu ndị dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ọ hụtara *-ghị* na *-la* dị ka mgbakwụnye e jị akanye njụ n'Igbo Izugbe ebe e nwere mgbakwụnye njụ dị iche iche n'olu ndị dị iche iche ndị na-anọchị anya *–ghị* n'olu ndị ahụ. Olu ndị ọ tụlere na mgbakwụnye njụ ọ chọpụtara gụnyere: Nneewi- *họ*, Igboụzọ *-shọ/ho*, Ọnịcha *-rọ*, Ọhụhụ *-ghi*, Owere - *hụ*, Echie *–v na ụda ume ndanamme (*harmonizing vowel*)*. O kwukwara na a bịa n'olu ndị Echie, na mgbakwụnye *–v na ụda ume ndanamme* na nnyemaka ngwaa na-agakọ. Obiamalụ (2013) mere nchọcha banyere ọrụ ụda olu n'ahịrị njụ n'asụsụ Igbo. Nchọcha ya kwenyere na Igbo Izugbe na-eji nganazụ *-ghị* ezipụta njụ. O kwukwara na ọtụtụ olu ndị Igbo na-eji ụdị nganazụ ndị ọzọ ezipụta njụ. Ọ kọwakwara na e nwere ike isite na mgbanwe nhazị ụda olu zipụta njụ. Ọ gara n'ihu kwuo na ya akwadoghi (Dechaine 1993) onye kwuru na e nwere ụda olu elu na-adị efeghari n'ahịrị njụ n'asụsụ igbo Izugbe nakwa olu ndị Igbo ndị ọzọ nke na-adị ire n'ihi ndanusoro nganihu nke a na-ahụta na ha.. N'aka nke ọzọ, ọ kwadoghikwa Ndịmele (1995, 2004, 2009), ndị kwenyere na e nwere ụda olu ala ndị na-arụ ọrụ pụrụ iche banyere njụ n'asụsụ Igbo. O dekwara na ya ekwenyeghi na ọmụmatụ Ndịmele (2009) nke kwuru na e nwere ụda olu ala na nnọchiaha isi ahịrị 1a na 1b ndị nke na-arụ ọrụ njụ n'asụsụ Igbo.

1a. \`Ọ nà à-gụ akwụkwọ
1b. \`Ọ naghị à-gụ akwụkwọ

Na nkwenye nke ya bụ na naanị ụda olu elu, ma ọ bụ ụda olu elu na nganazụ, nwere ike izipụta njụ dị ka ọ dị na njatụle ndị o nwetara n'ụfọdụ olu ndị Igbo. Ọ kọwara olu ndị Nneewi na nke Ọnịcha dịka ndị anaghị eji nganazụ ezipụta njụ kama ha na-eme nke ahụ site na ntụnye oke nnyemaka ngwaa ndị na-arụ ọrụ njụ n'olu ndị ahụ. Ọ gara n'ihu dee na ọ bụ ụda olu elu na-ezipụta njụ na ọ bụghị nke ala.

Ọmụma atụ o nyere n'olu Nneewi iji kwado kwenye ya gụnyere:

2. Ọ́ nà è-li nnī
   Ọ na-eri nri
3. Ọ́ há è-li nnī
   Ọ naghị eri nri
4. Èmeka nà-àgụ akwụkwọ
   Emeka na-agụ akwụkwọ

O nyekwara ọmụma atụ n'olu Ọnịcha iji kwado kwenye ya; ha gụnyere:

5. `Ọ nà è-li ifē
   Ọ na-eri nri
6. `Ọ dị è-li ifē
   Ọ naghị eri nri
7. Nnekà a-dị è-li ifē
   Nneka anaghị eri nri
8. `Ọ gà a-zà ụnọ`
   Ọ ga-aza ụlọ
9. `Ọ mà n-zà ụnọ`
   Ọ gaghị aza ụlọ
10. Ngọzị gà a-là mmīlī
    Ngọzị ga-añụ mmiri
11. Ngọzị a-mā n-la mmīlī
    Ngọzị agaghị añụ mmiri

Nchọcha ahụ gosiri na n'olu Nneewi, a na-eji *há* ezipụta njụ jiri *dị* ezipụta njụ n'olu Ọnicha n'ahịrị ngosi oge ndịna ugbu a. O kwukwara na e nwere olu ndị Igbo ndị na-anaghị enwe mgbakwụnye njụ mana ha na-ezipụta njụ site na nkanye/mkpọpụta ụda olu elu. Ọmụma atụ o nyere n'olu Nneewi gụnyere:

12. Ọ yà è-li nnī
    Ọ ga-eri nri
13. Ọ ya e-li nnī
    Ọ gaghị eri nri
14. Ọ yà è-li nnī?
    Ọ ga-eri nri?
15. Ọ ya e-li nnī ?
    Ọ gaghị eri nri?

O kwuru na ọ bụ ụda olu elu dị na ngwaa ahụ bụ ihe na-ezipụta njụ n'ahịrị njụ ahụ; ụda olu elu na-ebenata ike ụda ala si etu ahụ mee ka ahịrị njụ nwee ụda nsụda a na-ahụta na ha. Ndị ọchọcha tụchapụtara na ọnọdụ dị etu ahụ na-apụta ihe n'olu ndị ahụ naanị n'ahịrị ngosi oge ndịnihu.

Dahl (1979) kwenyere na e nwere njụ mmebe okwu na nke usoro okwu; njụ mmebe okwu bụ ndị a na-ahụta mgbe mgbakwụnye dị iche iche na-egosi njụ ebe nke usoro okwu bụ ndị nke na anaghị enwe mmetụta dị ka ọ dị n'asụsụ French na Finish. Payne (1992:75) kwuru na nkeji asụsụ dị iche iche, malite na mkpụrụ okwu ruo n'ahịrị okwu nwere ike ịdọtara onwe ha njụ, ọ gara n'ihu mee ka a mata na mkpụrụ okwu 'not' na 'no' bụ mkpụrụ okwu ndị na-ezipụta njụ n'asụsụ Bekee. O nyere ọmụma atụ n'asụsụ Bekee iji kwado ihe o kwuru:
16a. Books were given to John – Ụbara akwụkwọ ka e nyere Jọn (ahịrị nkwusara) 16b. No book was given to John – O nweghị akwụkwọ e nyere Jọn (ahịrị njụ)

Ntụlegharị ndị a dabara dị ka ọ dị na Mbah (2018) nke kwenyere na e nwere ọtụtụ ụzọ njụ si apụta ihe n'ahịrị okwu nke olu ndị mejupụtara asụsụ Igbo. Mana a bịa n'asụsụ Igbo Izugbe, ọ bụ mkpụrụ echiche ndabe *-ghi/-ghị* na *-la* ka a na-agbakwụnyekarị na ngwaa iji nwee ike izipụta ahịrị okwu njụ.

### 3.0 Mmebemusoro Njx N'olu NdỊ Ẹzaa

Asụsụ na obodo na-agakọ, otu anaghị akwụ naanị ya (Ugwuona & Orjinta 2013); mgbe ọ bụla e kwuru maka Ẹzaa, a na-ekwu maka olu ndị Ẹzaa, ndị Ẹzaa ma ọ bụ ihe abụọ a. N'ala Ẹzaa, ọ bụ naanị mkpụrụ echiche nnọrọ onwe/mkpụrụ okwu abụọ ka e ji egosi mfufe isi ma ọ bụ ọjụjụ mmadụ jụrụ ihe.

Ha gụnyere waawaa na ññ. Na nkeji a, a tụlere mmebemusoro njụ n'olu ndị Ẹzaa. A tụchara ọtụtụ ahịrị nkwusara na nke njụ ha site na ya gosipụta ụzọ ndị e si ewube ahịrị nkwe (dị ka ahịrị nkwusara, ahịrị enwe-obe, na ahịrị ntimiwu) na nke njụ n'olu ndị Ẹzaa.

**3.1 Ime ahịrị nkwusara njụ n'olu ndị Ẹzaa**

Ahịrị nkwusara bụ ụdị ahịrị na-ekwupụta etu ihe si dị ma ọ bụ ihe mmadụ bu n'obi. A bịa n'Igbo Izugbe, a na-eji mgbakwụnye nsonaazụ –*r* nke a gbakwụnyere ụda ume egosipụta nkwusara nkwe ebe a na-eji mgbakwụnye nsonaazụ *-ghi/-ghị* egosipụta nkwusara njụ; n'olu ndị Ẹzaa, a na-eji mgbakwụnye nsonaazụ –*r* nke a gbakwụnyere ụda ume egosipụta nkwusara nkwe dị ka ọ dị n'Igbo Izugbe mana a naghị eji mgbakwụnye nsonaazụ *-ghi/-ghị* egosipụta nkwusara njụ. Kama, Ihe e ji ezipụta ya n'olu ndị Ẹzaa bụ nganihu *te-* a gbakwụnyere ụda ume nke nganazụ *-du/-dụ* na-esochi. Lee ọmụma atụ ndị a:

| **Nkwusara nkwe** | **Nkwusara njụ** |
|---|---|
| 16. Nweke jeru ahwịa | Nweke tejedu ahwịa |
| Nweke je-ru ahwịa | Nweke te- je - du ahwịa |
| Mkp Ingw-Ngz Mkp | Mkp Ngh-Ingw-Ngz Mkp |
| Nweke jere ahịa | Nweke ejeghi ahịa |
| | |
| 17. Chinaza teru ohwe | Chinaza tetedu ohwe |
| Chinaza te-ru ohwe | Chinaza te-te-du ohwe |
| Mkp Ingw- Ngz Mkp | Mkp Ngh-Ingw-Ngz Mkp |
| Chinaza tere ofe | Chinaza eteghi ofe |
| | |
| 18. Chike kọrụ opfu | Chike takọdụ opfu |
| Chike kọ-rụ opfu | Chike ta-kọ-dụ opfu |
| Mkp Ingw-Ngz Mkp | Mkp Ngh-Ingw-Ngz Mkp |
| Chike kọrọ ugbo ji | Chike akọghị ugbo ji |
| | |
| 19. Nneka zụtarụ ereshi | Nneka tazụtadụ ereshi |
| Nneka zụta-rụ ereshi | Nneka ta-zụta-dụ ereshi |
| Mkp Ingw-Ngz Mkp | Mkp Ngh-Ingw-Ngz Mkp |
| Nneka zụtara osikapa | Nneka azụtaghị osikapa |
| | |
| 20. Ọ tuchiru mgbo | Ọ tọtuchidu mgbo |
| Ọ tuchi-ru mgbo | Ọ tọ-tuchi-du mgbo |
| Nnọ Ingw-Ngz Mkp | Nnọ Ngh-Ingw-Ngz Mkp |
| Ọ kpọchịrị ụzọ | Ọ kpọchighị ụzọ |

21. Hwe meru ree
Hwe me-ru ree
Nnọ Ingw-Ngz Nkọ
Ha mere ọfụma

Hwe temedu ree
Hwe te-me-du ree
Nnọ Ngh-Ingw-Ngz Nkọ
Ha emeghi ọfụma

22. O keru ẹkwọ
O ke-ru ẹkwọ
Nnọ Ingw-Ngz Mkp
O kere akwụkwọ

O tokedu ẹkwọ
O to-ke-du ẹkwọ
Nnọ Ngh-Ingw-Ngz Mkp
O keghi akwụkwọ

Ọmụma atụ ndị e deputara site na 16 ruo na 22 gosipụtara na a na-ewube ukwu ngwaa ahịrị nkwusara nkwe n'olu Ẹzaa site na ịgbakwụnyere isi ngwaa mgbakwụnye nsonaazụ *–ru/-rụ*. N'aka nke ọzọ, a naghị eji mgbakwụnye nsonaazụ *-ghi/-ghị* egosipụta nkwusara njụ n'olu Ẹzaa, kama, ukwu ngwaa na-ezipụta ya bụ nke a na-ewube site n'ịhazịkọta nganihu, isi ngwaa na nganazụ ọnụ. Ya mere e ji enwe *tV* (te/to/tọ/ tụ/tu/ ti/tị/ta) + *isi ngwaa* + *-du/-dụ*.

Ọzọ bụ na iwu ndakọrịta ụda ume na-apụta ihe nke ukwu mgbe a na-ewube nkwusara njụ n'olu Ẹzaa ma na-egosipụtakwa ụdị *tV+ukwu ngwaa+-du/-dụ* a na-ejikọ. Ụda ume arọ (+MUI) na-anọkọ ọnụ ebe ndị nke mfe (-MUI) na-anọkọkwa n'aka nke ha.

**3.2 Ime ahịrị enwe-obe njụ n'olu ndị Ẹzaa**

Enwe-obe bụ ụdịdị nsina ngwaa nke na-anaghị egosi oge ngwaa bidoro ma ọ bụ mgbe ọ kwụsịrị. A bịa n'Igbo Izugbe, ihe e ji ezipụta enwe obe nkwe bụ nganihu *i/ị* a gbakwụnyere *isi ngwaa* ebe a na-eji *A-/E-* + *isi ngwaa* + *ghị* ezipụta enwe obe njụ. A bịa n'olu ndị Ẹzaa, ihe e ji ezipụta enwe obe nkwe bụkwa *i/ị/o/ọ/A-/E-* + *isi ngwaa* mana ihe e ji ezipụta enwe obe njụ bụ *Ba* + *A-/E-* + *isi ngwaa*; lee ọmụma atụ nke olu ndị Ẹzaa:

**Enwe-ọbe Nkwe**

23. Ije ẹkwọ dụ ree
I-je ẹkwọ dụ ree
Ngh- Ingw Mkp Ngw Nkọ
Ịga akwụkwọ dị mma

24. Inwe peni bụ ihwe ọma
I-nwe peni bụ ihwe ọma
Ngh- Ingw Mkp Ngw Nnkọ
Inwe ego bụ ihe ọma

**Enwe-ọbe Njụ**

Ba-eje ẹkwọ dụ eji
Ba-e-je ẹkwọ dụ eji
Ngj-Ngh-Ingw Mkp Ngw Nkọ
Agaghị akwụkwọ dị njọ

Ba-enwe peni bụ ihwe ọjọọ
Ba-e-nwe peni bụ ihwe ọjọọ
Ngj-Ngh-Ingw Mkp Ngwa Nnkọ
Enweghi ego bụ ihe ọjọọ

| | |
|---|---|
| 25. Obu l'ụlọ dụ ree | Ba-ebu l'ụlọ dụ ẹjị |
| O-bu le ụlọ dụ ree | Ba-e-bu le ụlọ dụ ẹjị |
| Ngh- Ingw Mbz Mkp Ngw Nkọ | Ngj-Ngh-Ingw Mbz Mkp Ngw Nkọ |
| Ibi n'ụlọ dị mma | Ebighi n'ụlọ dị njọ |
| 26. Ọlụ/Ịlụ ọkpọbẹ nwaanyị dụ ree | Ba-alụ ọkpọbẹ nwaanyị dụ ẹjị |
| Ọ/Ị-lụ ọkpọbẹ nwaanyị dụ ree | Ba-a-lụ ọkpọbẹ nwaanyị dụ ẹjị |
| Ngh-Ingw Nkọ Mkp Ngw Nkọ | Ngj-Ngh-Ingw Nkọ Mkp Ngw Nkọ |
| Ịlụ ezigbo nwaanyị dị mma | Alụghị ezigbo nwaanyị dị njọ |
| 27. Anwụhụ kwa/bụ eze njem | Ba-anwụhụ anwụhụ dụ ẹjị |
| A-nwụhụ kwa/bụ eze njem | Ba-a-nwụhụ anwụhụ dụ ẹjị |
| Ngh-INgw Ngw Nkọ Mkp | Ngj-Ngh-INgw Mkp Ngw Nkọ |
| Ịnwụ anwụ bụ nnukwu njem | Anwụghị anwụ dị njọ |

Ọmụma atụ ndị e nyere gosiri na agbanyeghi na asụsụ Igbo Izugbe na-eji *i-/ị-* a gbakwụnyere *isi ngwaa* ezipụta ahịrị enwe-obe nkwe ma jirikwa nganihu *A-/E-* a gbakwụnyere *isi ngwaa* nke nsonaazụ *-ghị* na-esochi ezipụta enwe obe njụ, olu ndị Ẹzaa na-eji nganihu *o-/ọ-/a-/e-/ i-/ị-* a gbakwụnyere *isi ngwaa* ezipụta ahịrị enwe-obe nkwe ebe *Ba-* a gbakwụnyere ya na nganihu *A-/E-* na *isi ngwaa* bụ nke e ji ezipụta n'ahịrị njụ enwe obe. N'olu Ẹzaa, e nwekwara ike iwube ahịrị njụ enwe obe site n'iwepụ nganihu njụ *Ba-*. Nke a agaghịkwa eme ka anyị si na *Ba-* na *A-/E-* na-anọ n'ọnọdụ nnọnabarị n'ihi na ahịrị njụ enwe obe *Ba-* dị na ya, na-enwekwa *a-/e-* mana mgbe e wepụrụ *Ba-*, *A-/E* na-anọzi dị ka isi ahịrị. Nke a mere ahịrị enwe obe njụ dị na 23 ruo na 27 jiri bụrụ ndị e nwere ike idegharị ka ha bụrụ:

23.┘ Eje ẹkwọ dụ eji
24.┘ Enwe peni bụ ihwe ọjọọ
25.┘ Ebu l'ụlọ dụ ẹjị
26.┘ *Alụ ọkpọbẹ nwaanyị dụ ẹjị
27.┘ Anwụhụ anwụhụ dụ ẹjị

Otu ihe ọzọ pụtara ihe bụ na ọ bụghị ahịrị okwu niile ka ụtọ asụsụ Ẹzaa na-anabata mgbe e nwere ụdị mwepụ a agbanyeghi na ọ dabara n'usoro okwu Ẹzaa. Ahịrị 26.┘ gbara aka ebe nye maka nke a.

**3.3 Ime ahịrị ntimiwu njụ n'olu ndị Ẹzaa**

Ahịrị ntimiwu bụ ahịrị okwu nrịba ama nke e jị eti iwu ma ọ bụ amanye mmadụ ime ihe dị ańaa. Ha na-apụta ihe n'ụdị mkpoolu na ụbara n'asụsụ Igbo. Etu o sịla dị, a tụlere ime ha njụ n'ogogo mkpoolu na ụbara ha. Akara mkpoolu na-egosi ihe dị naanị otu ebe ụbara bụ nke na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya karịrị otu.

**3.3.1 Ime ahịrị ntimiwu mkpoolu njụ n'olu ndị Ẹzaa**

Okoro (2006) kwenyere na amụmamụ mmebemusoro na-apụta ihe n'ọtụtụ ụzọ dị iche iche ọkachasị mgbe a na-atụle mkpoolu na ụbara mkpụrụ okwu. Mana mgbe a tụlere ndanusoro mkpọ-

aha/nnọchi aha na ngwaa, a mara na ọ bụ usoro okwu ka a na-atụle. Na nkeji a, anyị ga-atụle ụzọ e si eme ahịrị ntimiwu mkpoolu njụ n'olu Ẹzaa.

| **Ntimiwu Nkwusara** | **Ntimiwu Njụ** |
|---|---|
| 28. Zaa ụlọ | Ba-azakwa ụlọ |
| Za-a ụlọ | Ba-a-za-kwa ụlọ |
| Ngw-Ngz Mkp | Ngj-Ngh-Ngw-Nkw Mkp |
| Zaa ụlọ | Azala ụlọ |
| 29. Tee ohwe | Ba-etekwa ohwe |
| Tee ohwe | Ba-e-te-kwa ohwe |
| Ngw-Ngz Mkp | Ngj-Ngh-Ngw-Nkw Mkp |
| Sie ofe | Esila ofe |
| 30. Kuta mini | Ba-ekutakwa mini |
| Kuta mini | Ba-e-kuta-kwa mini |
| Ngw Mkp | Ngj-Ngh-Ngw-Nkw Mkp |
| Kute mmiri | Ekutela mmiri |
| 31. Kpata nkụ | Ba-akpatakwa nkụ |
| Kpata nkụ | Ba-a-kpata-kwa nkụ |
| Ngw-Ngz Mkp | Ngj-Ngh-Ngw-Nkw Mkp |
| Kpata nkụ | Akpatala nkụ |
| 32. Lụfụ | Ba-alụfụkwa |
| Lụfụ | Ba-a-lụfụ-kwa |
| Ngw | Ngj-Ngh-Ngw- Nkw |
| Pụọ | Apụla |
| 33. Tufuru | Ba-etufurukwa |
| Tufuru | Ba-e-tufuru-kwa |
| Ngw | Ngj-Ngh-Ngw-Nkw |
| Tukwuru | Etukwula |

Site n'ihe ndị e zipụtara n'isi nke a, o doro anya na ahịrị ntimiwu njụ mkpoolu na-apụta ihe n'Igbo Izugbe nakwa n'olu ndị Ẹzaa. A bịa n'Igbo Izugbe, a na-eji nganihu *A-/E-* a gbakwụnyere *isi ngwaa* nsonazụ *la* na-esochi ezipụta ya. N'olu Ẹzaa, mkpụrụ echiche njụ *Ba-* a gbakwụnyere nganihu *A-/E-* nke *isi ngwaa* na-esochi bụ nke e ji ezipụta ntimiwu njụ mkpoolu. Ọzọkwa, a na-enweriri nkwuwa *kwa* na-adị esochi isi ngwaa n'ụdị ahịrị njụ ahụ. E nwekwara ike iwepụ mgbakwụnye njụ *-Ba* n'ụdị ahịrị okwu a. Mwepụ *-Ba* anaghi agbanwe echiche ụdị ahịrị njụ a; Havenhill (2014) kwenyere na ụdị

mwepụ a bụ akanka nke na-apụta ihe n'ihi mmasị okwuu nwere ịhazịgharị ederede ma ọ bụ ekwurekwu ya.

**3.3.2 Ime ahịrị ntimiwu ụbara njụ n'olu ndị Ẹzaa**

Ọtụtụ mgbe, ihe ndị nwere mkpoolu na-enwekwa ụbara. Ọ bụ ezi okwu na anyị ezipụtala ụfọdụ ahịrị okwu ndị gosipụtara ụzọ e si eme ahịrị ntimiwu mkpoolu njụ n'olu ndị Ẹzaa. Ugbu a, anyị ga-atụle ụzọ e si eme ahịrị ntimiwu ụbara njụ n'olu ndị Ẹzaa.

| **Ntimiwu nkwe** | **Ntimiwu njụ** |
|---|---|
| 34. Unu zaa ụlọ | Unu ba-azakwa ụlọ |
| Unu za-a ụlọ | Unu ba-a-za-kwa ụlọ |
| Nnọ Ingw-Ngz Mkp | Nnọ NgJ-Ngh-Ingw-Nkw-Mkp |
| Zaanụ ụlọ | Unu azala ụlọ |
| 35. Unu tee ohwe | Unu ba-etekwa ohwe |
| Unu te-e ohwe | Unu ba-e-te-kwa ohwe |
| Nnọ INgw- Ngz Mkp | Nnọ NgJ-Ngh- INgw-Nkw-Mkp |
| Sienu ofe | Unu esila ofe |
| 36. Unu kuta mini | Unu ba-ekutakwa mịnị |
| Unu kuta mini | Unu ba-e-kuta-kwa mịnị |
| Nnọ Ngw Mkp | Nnọ NgJ-Ngh-INgw-Nkw-Mkp |
| Kutenu mmiri | Unu ekutala mmiri |
| 37. Unu kpata nkụ | Unu ba-akpatakwa nkụ |
| Unu kpata nkụ | Unu ba-a-kpata-kwa nkụ |
| Nnọ Ngw Mkp | Nnọ NgJ-Ngh- INgw-Nkw-Mkp |
| Kpatanụ nkụ | Unu akpatala nkụ |
| 38. Unu lụfụ | Unu ba-alụfụkwa |
| Unu lụfụ | Unu ba-a-lụfụ-kwa |
| Nnọ Ngw | Nnọ NgJ-Ngh- Ingw-Nkw |
| Pụọnụ | Unu apụla |
| 39. Unu tufuru | Unu ba-etufuru-kwa |
| Unu tufuru | Unu ba-e-tufuru-kwa |
| Nnọ Ngw | Nnọ NgJ-Ngh- Ingw-Nkw |
| Tukwurunu | Unu etukwula |

Ugbu a ka anyị tụlee ụzọ e si eme ahịrị ntimiwu ụbara njụ n'olu Ẹzaa. Site n'ahịrị 34 ruo 39, o doro anya na e nwere ahịrị ntimiwu ụbara njụ n'Igbo Izugbe nakwa n'olu ndị Ẹzaa. A bịa n'Igbo Izugbe dị ka Mbah (2014) siri dee, 'mgbe e wepụrụ naanị nnyemaka ngwaa ma ọnụụ dị n'ụbara, ngosipụta ọnụụ na-atapado n'ihu ngwaa. Ọmụma atụ o nyere bụ:

40. Unu ga-abịa → Bịanụ

Mana mbughari e bughariri nnọchiaha ahụ anaghị enwe ire n'ahịrị ntimiwu ụbara n'olu Ẹzaa, kama ha na-anọ n'ọnọdụ omee. Mgbe a na-ewube ahịrị ntimiwu ụbara n'Igbo Izugbe, a na-agbakwụnye nganihu *A-/E-* n'ukwu ngwaa ebe nganazụ *la na-esobe* ya. N'olu ndị Ẹzaa, mkpụrụ echiche njụ *-ba* na-apụta ihe, nganihu *A-/E-* a na-eso, *isi ngwaa* a na-esochi ebe *nkwuwa* na-ekpo azụ. Ha na-anọ n'ụdị *Unu+ba+A-/E-+isi ngwaa+nkwuwa*. Nke a na-egosi mmebemusoro nke ahịrị ntimiwu mkpoolu njụ na nke ụbara ya abụchaghị otu; mwepụ *-Ba* anaghi agbanwe echiche ma ọ bụ mebie ndanusoro ahịrị ntimiwu mkpoolu njụ mana anaghị ewepụ ya ma ncha na nke ụbara n'ihi na ọ naghị adaba na ndanusoro na nnabata ụtọ asụsụ Ẹzaa.

## 4.0 Nchịkọta na mmechi

Anyị elebaala anya na mmebemusoro njụ n'olu ndị Ẹzaa. Nchọcha a chọpụtara na ọ bụ, mkpụrụ echiche ndabe na-ezipụta njụ n'ahịrị dị iche iche n'olu Ẹzaa. Ọ bụ naanị mgbakụnye njụ ka e ji ezipụta njụ n'ọgbara okwu dị iche iche n'olu ndị Ẹzaa. Mgbakụnye njụ anaghị esogide onwe ha n'olu Ẹzaa; ha na-abụkarị nganihu na nsonaazụ nke ukwu ngwaa na-anọ n'etiti ha. Ụdị ahịrị okwu e wubere bụ ihe na-ezipụta ụdị mgbakụnye njụ a na-agbakwụnyere ya. Naanị n'ahịrị njụ enwe obe na ahịrị njụ ntimiwu bụ ebe mgbakụnye njụ na-amalite ahịrị okwu n'olu ndị Ẹzaa. Iwu ndakọrịta ụda ụme na-apụta ihe nke ukwu ma na-egosipụtakwa ụdị nganihu *tV-* a na-agbakwụnyere *ukwu ngwaa* ndị ahụ na ụdị nsonaazụ *-du/-dụ* nke na-esochi ha; ụda ụme arọ (+MUI) na-anọkọ ọnụ ebe ndị nke mfe (-MUI) na-anọkọkwa n'aka nke ha. Ọzọ, n'olu Ẹzaa, ahịrị ntimiwu njụ niile na-adọtara onwe ha nkwuwa *kwa* nke na-adị esochi ngwaa ọ na-akọwa. E nwekwara ike iwepụ mgbakwụnye njụ *ba-* n'ahịrị njụ enwe obe na nke ntimiwu mkpoolu mana anaghị eme nke ahụ n'ahịrị njụ ntimiwu ụbara.

**Nkọwasị ndebirisi**

| | |
|---|---|
| Ingw | Isi Ngwaa |
| Mbz | Mbu-ụzọ |
| Mkp | Mkpọaha |
| Ngh- | Mgbakwụnye Nganihu |
| NgJ | Nganihu njụ |
| Ngw | Ngwaa |
| -Ngz | Mgbakwụnye Nganazụ |
| Nkọ | Nkọwa aha |
| Nkw | Nkwuwa |
| Nnkọ | Nkebiahịrị Nkọwa aha |
| Nnọ | Nnọchiaha |
| NzJ | Nsonazụ njụ |
| tV | te/to/to/ti/tị/ta dg. |

**Nrụmaka**


Adeoye, J.A. (2018) The structure of negation in Ụwù. *Kansas Working Papers in Linguistics* Vol. 39 ihu. 40-56

Anagbogu, P. N. (2005). The negativizing prefixes of Koring. Na O.M. Ndịmele (ohz). *Trends in the study of languages and linguistics in Nigeria*: *A festschrift for Philip Nwachukwu* ihu.574 –582..Aba: National Institute for Nigerian Languages,

Anderson, S. (1986) *Disjunctive Ordering in inflectional morphology. Natural language and linguistic theory*: Cambridge, Mass:

Anyanwu, U. (2014) Beyond the Big Hoes and Yam Mounds: A Re-appraisal of Ezza Traditional Economy *Nsukka Journal of the Humanities* No. 14, 2004, ihu. 67-77

Crystal, D. (1980) *A first dictionary of linguistics and phonetics.* Colorado: West view Press Boulder Press Boulder.

Crystal, D. (1994). *An encyclopedic dictionary of language and languages* Oxford: Blackwell.

Crystal, D. (2008). *A dictionary of linguistics and phonetics*. Oxford: Blackwell.

Crystal, M. (2003). A *dictionary of linguistics and phonetics* (nhz 5) Oxford: Oxford University Press.

Dahl, O. (1979). Typology of sentence negation. *Linguistics* (17):76-106.

Embick, D. & Noyer, R. (2001). Movement operations after syntax. *Linguistic Inquiry* 32:555-595.

Emenanjọ, E.N. (1985). *Auxiliaries in Igbo syntax: A comparative study.* Indiana: University Linguistics Club.

Emenanjọ, E.N. (1985). *Elements of Igbo grammar.* Ibadan: Oxford University Press.

Halle, M. & Marantz, A. (1993) *Distributed morphology and the pieces of inflection: The view from Building 20* Cambridge MA: MIT Press.

Halle, M. & Marantz, A. (1994). Some key features of distributed morphology. Papers on phonology and morphology, (Nhz). by Andrew Carnie, Heidi Harley and Tony Bures, vol. 21, 275–88. Cambridge, MA: *MIT Working Papers in Linguistics.*

Harley, H. & Noyer, R. (1999) *Distributed morphology:* Glot International Harley, ihu. 275–288. Cambridge, Mass.: MITWPL.

Havenhill, J. (2014). Relative clauses in Bavarian: A distributed morphology approach to morphosyntactic variation. Paper presented at the 50th Annual Meeting of the Chicago Linguistic Society (CLS 50), University of Chicago.

Kempson, R. (1975). *Presupposition and delimitation of semantics*. Cambridge: Cambridge University Press

Kibort, A. (2010). *Towards a typology of grammatical features.* Oxford: OUP.

Lyons, J. (1968). *Introduction to theoretical linguistics*.Cambridge: Cambridge University Press.

Mbah B. M. na ndị ọzọ (2013) *Igbo Adị Igbo-English English-Igbo Ditionary of Liguistics and Literary Terms.* Enugu:University of Nigeria Press

Mbah, B.M. (2018). *Generalised Igbo Syntax.* Awka: Amaka Dreams Ltd

Ndịmele, O. (1995). On the phono-syntactic dimension of negation. Na E.N. Emenanjo & O.M. Ndịmele (ohz). *Issues in African languages and linguistics: Essays in honour of Kay Williamson. NINLAN,* Aba: pp.101-116.

Ndịmele, O. M. (2005). Negation Marking in Igbo. Na Ndịmele O.M. (ohz.) *Trends in the study of languages and linguistics in Nigeria*: *A festchrift for Philip Nwachukwu.* Ihu. 939 – 956. Aba : National Institute for Nigerian Languages.

Nwaoke, E. E. (2006), Morphology of Igbo Language: Insights from Ezza Dialect. Nchọcha asambodo digrii B.A. Languages and Linguistics e mere na Mahadum Steeti Ẹbọnyị (EBSU), Abakaliki.

Nwaozuzu, G. (2008). *Dialects of the Igbo language*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.
Obiamalụ, G.O. (2013). On the role of tone in Igbo negation. *Journal of West African Languages 14 XL.2*
Okoro, N. O. (2016) Morpho-syntax of negation in Egbema Igbo. *Journal of Nigerian Languages and Culture* Vol. 16 No.2, 112-120
Payne, T. E. (1997). *Describing morphosyntax*: *A guide to field linguistics*. Cambridge: Cambridge University Press.
Schaefer, R.P., & R. Masagbor (1984). The form of negation. *Journal of West African language* xiv: 2, 2742.
Thompson, C., Fix, S. na Gitelman, D. (2012) Selective impairment of morphosyntactic production in neurological patient. J Neurolinguistics 15 (3-5) ihu 189-207
Ugwuona, C. N. & Orjinta, A. I. (2013) Sociolinguistic Resources and Pedagogic Resourcefulness in the Development of Nigerian Languages. *Nsukka Journal of the Humanities*, No. 20, ihu 31-37.
Watters, J. R. (2000). Syntax. Na Heine, B, & D. Nise (Ọhz.) *African language*: *An introduction*. 194 -230 Cambridge: Cambridge University Press. ihu.
Yusuff, L. A. (2008). Negative adverbs in Yoruba. *Ihafa: A Journal of African Studies, 5*(3), 132-145.
http://www.ebonyistate.gov.ng/population.aspx mbutu, Mee 30, 2018